IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri
a na-egosi



# Nwoke Ezitere Site na Chineke

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Byron Unger; Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
E. Frischbutter; Sarah S.

Onye tughariri okwu a: Ekwealor Sylvia Ujunwa

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

N’ime ụlọ nsọ Chineke otu ụbọchị, otu onye nchụaja ochie aha ya bụ Zakaraịa nọ na-esure ihe nsure ọkụ na-esi ísì ụtọ.  N'èzí, ndị mmadụ kpere ekpere.  Na mberede, Zakaraịa wee maa jijiji.



Mụọ-ozi abịawo.  O wee si, “Atụla egwu.”  “Chineke ziterem, nwunye-gị ga-amụta nwa-nwoke, kpọọ aha-Ya Jọn: Ọ gējupụta na Mọ Nsọ site na mgbe a mụrụ ya, Ọ ga-emekwa ka ọtụtụ mmadụ chigharikwute Chineke.”



“Gwa anyị okwu, Zakaraịa.”  Ọ gbagwojuru ndị nọ n'èzí anya.  Ha amataghị na mmụọ ozi Gebriel kwuru na Zakaraịa agaghị enwe ike ikwu okwu ruo mgbe a mụrụ nwa ahụ n’ihi na o kwetaghị ozi ahụ sitere na Chineke.  O chere na nwunye ya emeela agadi nke ukwuu ịmụ nwa.



N’ụlọ, Zakaraịa dere ihe niile mọ-ozi gwara ya n’akwụkwọ. O tụrụ Elizabeth bụ nwunye ya n’anya. Ha na-ekpebu ekpere maka nwa. Ọ nwere ike ime ugbu a?





N'oge na-adịghị anya, Elizabeth matara na nwa ọhụrụ na-abịa.  O wee too Chineke. Otu ụbọchị, nwa nwanne Elizabeth bụ́ Meri gara ileta ya.  Meri nọkwa na-atụ anya nwa ọhụrụ.



Mgbe Meri rutere,
Elizabet hụtara nwa
ya ka ọ maliri elu
n’ime ahụ ya.
Elizabet wee jupụta
na Mmụọ Nsọ. Ọ
ma na nwa Meri
ga-abụ Onyenwe
anyị Jizọs Kraịst.
Ụmụnwaanyị abụọ
ahụ ji ọṅụ too
Chineke.

Amuru nwa Elizabeth dịka Chineke kwere na nkwa. “Kpọọ ya Zakaraịa, dị ka nna ya,” ka ndị nchụàjà ndị ọzọ kwuru. Zakaraịa chetara iwu Chineke. “Ee e! Aha nwa-ntakịrị ahụ bụ Jọn.” Ka Zakaraịa dere okwu ndị a, olu okwu ya wee laghachi. O wee too Chineke.





Mgbe Jọn tolitere, ọ dị ka Elaịja, onye-ozi ukwu nke Chineke. Jọn gwara ndị mmadụ na Mesaịa ga-abịa n’oge na-adịghị anya ịgọzi ha. Ndị ndú ndị Juu kpọrọ Jọn asị n'ihi na ọ sịrị ha: "Chegharịanụ! Kwusinu ime mmehie. Ha achọghị ịnụ banyere mmehie ha.

Ndị ọzọ kpọrọ ya Jọn Baptist n'ihi na ọ na-emibanye ndị mmadụ na mmiri igosi na ha nwere mwute maka mmehie ha.  Otu ụbọchị, Jizọs bịakwutere Jọn ka o mee ya baptism.  "Ọ bụ gị kwesịrị ime m baptism," ka Jọn kpesara.  Ma Jizọs sịrị, "Ka ọ dị otú a."  Jọn wee mee Ya baptism.



Mgbe e mechara Jizọs baptism, Jọn hụrụ Mụọ Nsọ ka ọ dakwasịrị Jizọs n'ụdị nduru.  Nke a bụ ihe ịrịba-ama nke Chineke. Jọn maara na Jizọs bụ Ọkpara Chineke. Jọn kpọrọ Jizọs Nwa atụrụ Chineke Nke na-ebupụ mmehie nke ụwa.





Jọn mere ka ọtụtụ mmadụ mara Chineke. Ma Herọd, bụ́ ajọ onye ọchịchị ahụ, tụbara Jọn n'ụlọ mkpọrọ. Jọn gwara Herọd, sị: "Ọ bụ mmehie gị ịkpọrọ Herodias, nwunye nwanne gị ka ọ bụrụ nwunye gị." Herọd maara na nke a bụ eziokwu.



Ọ maara na Jọn bụ onye na-ejere Chineke ozi, onye ezi omume na onye dị nsọ.  Ma ọ chọghị ịkwụsị ime mmehie. Jọn akwụsịghịkwa ikwusa ozi ọma megide mmehie, ọ bụrụgodị na ọ ga-eweta ịtụba n’ụlọ mkpọrọ.

N'ụbọchị ọmụmụ ya, Herọd kpọrọ nnukwu oriri.  Ada Herodias gbaara ya egwu.  Nke a masịrị Herọd nke ukwu. O kwere ya nkwa sị, "Ị nwere ike nweta ihe ọbụla ị chọrọ."  "Ọbụna ọkara ala-eze m."





“Gịnị ka m ga-arịọ?” Ka nwa agbọghọ ahụ nọ na-eche. Ajọ nne ya bụ Herodias, bụ onye kpọrọ Jọn asị, gwara ya ihe ọ ga-arịọ! Ọ dị egwu!

“Nyem isi Jọn Baptist n’efere,” ka nwa agbọghọ ahụ siri Herọd. O wutere ya maka nkwa o kwere, mana mkpako ekweghị ya imebi ya. “Bepụ isi Jọn ma bute ya ebe a,” ka Herọd nyere n’iwu. Ndị agha ya rubeere ya isi.



Na mwute, ndị enyi Jọn liri ozu nke onye-ozi Chineke nwere obi ike ma kwesịkwa ntụkwasị obi. Ebe a ka ọrụ Jọn nye Chineke gwụrụ.  Ma eleghị anya, ha maara na Jizọs ga-ewere ike ịkasi ha obi ná mwute ha nwere.



Nwoke Ezitere Site na Chineke

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Mak Isi nke isii, Luk Isi nke mbụ,
Isi nke atọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130


Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.